# NKUZI ODENIGBO 2011

## ISI OKWU

# NTOHAPU: ORU OMA NKE OZIOMA

## ODEE:


## OKAMMUTA, UKO NA OKA NKUZI

# OBIORA FRANCIS IKE


## 1. ISI NKE MBU: NKOWA ISI OKWU

Ndi Igbo na ekwu na asi na *"mmiri ju awo onu, o na ebe wooo"!* Kedu ebe m ga ebido? Amaghi m ebe m ga ebido ebido ebido… A maghi m ebe m ga akwusi akwusi… were jawa Amara Chi mma….

Eji m ohere a na-ekele Olekota Nzuko Katolik n'Owere, bu Amarachi Anthony J V Obinna, maka ezi oru a o malitere n'ala igbo site n'ihiwe nkuzi ohaneze a na akpo ODENIGBO. A na m ekele yabu Oke mmawu maka mbo o na agba, yana ndi na enyere ya aka, ihu na ya bu oru na-aga n'ihu etu o kwesiri. Anam ekelekwa ya, otu o siri hoputa m maka nkuzi nke afo 2011, n'agbanyeghi na munwa bu Obiora Ike, a muru m na obodo ugwu Awusa a na akpo Gusau di na Zamfara, ebe m nora mee nwata, to ikorobia makwa jee akwukwo afo iri rue mgbe agha Biafra chunatara ndi Igbo na ala nna ha. Nwanna m, na Nnam Ukwu Amarachi nara ekele. Ya gaziere gi! Mma mma O!

E jikwam otu aka ahu, na-ekene ndi nile kuzirila nkuzi odenigbo kemgbe O jiri bido n'afo otu puku, nari itolu, iri itolu na isii gara aga (1996). Munwa bu Odee nke iri na isii na nkuzi Odenigbo. Mgbe m chetara na oche nkuzi e nyere m tata, bu oche ndi di okpu ma burukwa ndi akwaa a kwuru di na oka mmuta dika Uko na Oka nkuzi Theophilus Okere (Nnam Ukwu); Amarachi Anthony J V Obinna; Chinua Achebe; Ezinne Oka mmuta Gabriella Nwaozuzu; Odee Uko Godfrey Igwebuike Onah; Uko Oka mmuta Erest Ezeogu; Odee Florence Obigaeli Anugom; wee dere gaba, o na- eme ka m mata na nkea bu nnukwute ugwu ebunyerem, ma bunye kwa ala Enugu na ndi Mmonwu shinne no n'ala Ezeagu bu akwa - akwuru bu ndi Wawa, obodo eji egwu Atiologwu were mara. Ya mere na aga m ehi asaa n'anya n' oru nkuzi nkea, maka na Igbo na-atu n'ilu si *onye e nyere ihe di oke onu, achokwara ihe di oke onu n'aka ya.*

Dika m si wee kwuo na mbu, O bu nnukwu ihe anuri na ekene na Amarachi A. J. V. Obinna cheputara atumatu nkuzi Odenigbo na Achidayosis Katolik nke Owere.

Nkuzia esigo n'ala Owere gazue igbo nile were na ede n'igbo wee buruzia ode n'igbo n'ezie. Mana nkuzi nke tata ga abuzi nkuzi ga esi na **Ode nigbo** were buruzia **Ode na kristi**.

O bu onyinye muo nso mere ka Nnukwu Ukochukwu a, na nwa afo igbo a, cheputa atumatua nke anyi no e'titi ya. Anyi nile mara na tupu Odenigbo, e nwere nnukwu nkuzi a na akpo **Aha ji oku (ji),** nke na-akpokota umu Igbo nile na

gburugburu ala anyi, tinyekwa ndi marahadum na oka mmuta si na ofesi. Onwere ka o di na e ji asusu ndi ocha were eme nkuzi **Aha ji oku** n'ala igbo. Umu nnam na umu nnem, kedu ka asusu ala anyi bu igbo ga esi were na- anwu n'oge nke anyi, mana anyi ewere oyibo na-akowa ome n'ala anyi n'ihu uwa nile. Ndi anyi na ha soro biri na Obodo anyi bu Naijiria, dika ndi Yoruba, Hausa, Gwari, Fulani, ishekiri, Tangali, Shosho, Gwari, Efik, Bini, Arab, Kanuri, Igala, Annang, Ijaw, Kalabari, akpoto, Idoma, Tiv, na ndi ozo niile, anaghi eji asusu oyibo nke akporo Inglishi were akowara umu ha maka o di be ndi na odi na ala nna ha ochie. O bu soso ndi igbo na-egosi na ha mara ihe karia, were asusu oyibo na akowara umu ha ihe na ezi na ulo.

Amarachi A. J.V. Obinna na imerime ndi ya naya no n'oru mgbasa ezi omenala, e gosigo na O bu dike na agha; otu onye a na asi unu abiala; anu kporo nku na eju onu;, akwaa akwuru; oka mmuta igbo; onye ihe di mma na enye anuri na onye agam n'ihu na idikorita n'otu ndi igbo na amasi.

Ana m eche na Nkuzi Odenigbo a, a na-eme kwa afo nile bu isi mbido ntohapu n'ala igbo. Odikwa mma na Diyosisi nile bido mebe Odenigbo na be nke ha kwa afo, mbosi aga akpo Odee na Igbo nile gburugburu. Ndi be anyi, Isi okwum na nkuzi Odenigbo nke afo puku abuo na iri na otu (2011) nwere isi okwu nke bu: **NTOHAPU ORU OMA NKE OZI OMA.**

Ndi igbo na ekwu *na mmadu Luo ogu egboro egbo, O si ogu kpokwaya ihu ozo*. Dika e siri dee na akwukwo nso a na-akpo Baibulu n'isi mbido: Ajo muo jere na ogige Eden wee merie nna anyi na nne anyi mbu, ndi bu Adam na Eve (Genesis 1-3). Ajo mmuo were na–akpa nga-nga, mana o ghotaghi na onye oru ubi ekwesighi inya isi, na-asi na owuwe ihe ubi ya kariri nke ndi ozo mma, makana omaghi ma ji na ede ya o ga anorue oge owuwe ihe ubi ozo. Ajo muo chefukwara na Igbo na –atu n'ilu si, *onye metere nwa Agu n'ura, ya gbalaga, maka na mgbe nwa agu tetere n'ura, o buru na nwa agu egbughi ya, o ga edobe ya n' onodi o di ndu onwu ka mma.*

Mgbe odogwu bu eze Jesu, Okwu e mere ahu nke binyere anyi, onye nke ndi amuma kporo Imanuel tupu amuo ya; onye nzoputa uwa niile; Onye bu uzo buru ndu buru eziokwu; Onye Nkuzi kariri Oka mmuta niile; otu onye a na-asi unu abiala; dike n'agha; ama ama amasi amasi; onye jere ije n'elu mmiri; Eze a na ekpechara o gwu; Ugwu a na ari na a tu egwu; Anu a na agba egbe o na ata nri; Oge Jesu bu Imanuel biara n'udi mmadu n'uwa, nji nji were jie. Onwa na Kpakapando tiwe were kporo ya isi ala. Ndi Muozi kwewe ukwe Onu. Ala omajijiji mawa Onye Ochichi a na akpo Herod. Ndi Eze si na Owuwa anyanwu choro yabu Jesu gawa na Bethlehem were weta Onyinye ha makwa sepkuoro ya. Ndi Eze mmadu ito a bu Melchior, Kasper na Balthaszar. Mgbe nkea mere, *O gbajuru doro.* Nwa mba nshi ahu bu Ekwensu were mata na *nwa ntakiri ekwesighi inyu nsi ebe*

*ahihia kariri ya ogo, o matakwara na nshiko na-echi eze bu soso n'obere mmiri, mbge o batara n'osimiri, Osimiri eburu ya jewa.* Makana *Odum na agu adighi achu nta n'otu ohia.* Odogwu a bu Jesu Kristi tohapuru nne anyi na nna anyi mbu tinyere mmadu nile ekere eke bu umu Adam na Eve n'aka nke onye iro ahu bu Ekwensu, were merie onwu gosikwa na mbilite n' onwu di. Nke a bu ntohapu kachasi ntohapu nile. Ekwensu E werezia hu na ndi o chere na ya meriri n'agha ha anwuo, bu soso ura ka ha na–arahu makana Chi Ka dibia.

Ntohapu nke anyi na-ekwu maka ya, n'isi okwu anyi bu, ikowa "ihe omimi" nke nzuko ndi otu Kristi kporo: "*Ezi okwu nke abuna ezi okwu, nke Chukwu jiri aka ya were weputa, mana o bia karia uche mmadu nghota*" (Katechizm nke nzuko nso katoliki). Ntohapu bu ihe omimi. Umu nnem na umu nna m ndi igbo, biko nu ka anyi lenye anya n'ihe akwukwo nso nke uwa niile gburugburu kwengere na ya na-agukwa, dika E dere na akwukwo Jon:

*"Na mbu tupu ekee uwaa, okwu ahu dirii, Okwu ahu na Chineke dirii, okwu ahu bukwa Chineke. Ya na Chineke diiri site na mbu. Site na ya ka Chineke siri kee ihe nile. E wezuga ya, o dighi ihe obula nke e kere eke nke gara adinu. N'ime ya ka ndu di. Ndu ahu bukwa ihe nke ndi mmadu. Ihe ahu na-enwu na ochichiri ma ochichiri apughi imenyu ya.*

*Odi otu nwoke Chineke zitere, aha ya bu Jon. O biara igba ama, igbara ihe ahu akaebe. Ka mmadu nile site na ihe ahu kwere. Ya onwe ya abughi ihe ahu kama O biara igbara ihe*

*ahu akaebe, ka mmadu nile site na ihe ahu kwere. Ya onwe ya ahughi ihe ahu kama o biara igbara ihe ahu akaebe. Ezi ihe ahu nke na-enye mmadu nile ihe na-abia n'elu uwa.*

*O norii n'uwa, site na ya ka e si kee uwa ma uwa amataghi ya. Ma ndi nile nabatara ya ma kwerekwa na ya ka o nabatara I bu umu nke Chineke. Ha bu ndi a muru, o bughi site n'obara, nke o na- bu site n'echiche nke anuahu, ma obu site na echiche nke mmadu, kama site na Chineke. Okwu ahu buuru mmadu wee binyere anyi.* (Jn 1: 1-14)

Okwu ndia na nkuzi odibe ndi, nke si n'aka fere aka were rue anyi aka, bu isi mbido na isi mjedibe nkuzi niile gbasara NTOHAPU nke si n'ozioma were bia. Mbinye okwua bu Jesu Kristi binyere anyi wetara uwa niile ntohapu. Nkuzi gbasara Ozioma Jesu Kristi bu KPIM burukwa ejechaa ogwu n'ihe gbasara Ntohapu nke uwa niile. Ndi nwere okwukwe na-ekpe ya n'ekpere na ekwu:

"*Ihe niile e kere eke,*

*na eso ya bu Kristi,*

*na e si kwa n'ime ya,*

*na n'aka ya, na idiko n'otu nke mmuo nso,*

*na-enye gi bu Chukwu Nna ji ike niile,*

*nsopuru na otito niile*

*site na uwatuwa nile*"

Jesu Kristi bu ihe nke uwa. O biara ka uwa na ihe nile e kere eke nwee nzoputa ma nweekwa ndu n'uju ya. (Jn. 10: 10)

Tupu Jeso abia, mmadu na uwa niile no na onodu imere ebere, onudu ishikirishi nakwa onodu na enwighi olile anya. Ntohapu Jeso tohapuru uwa n'ude ahuhu bu ihe miriemi, Ya bu, ikowa na ighota ntohapu a bukwa ihe miri emi. *Obughi ukwa achi n'aka o na-agba ma o bu agwo e ji ikputu mma na- egbu.* Maka na, ndi igbo na-atu n'ilu si: *egbulu egbu egbughe egbughe n' adi na ike atulu, ka ndi dibia na eji agwo aja e gbu edi*. A na- akpo ha ndi dibia, ndi na esu atikpa, ndi na agwo atikpa, ndi ogwu ndi ogwu, mana o bu Jesu Kristi bu eze dibia, ya ka oji masi ndi akuku Emekuku na ndi Umana Ndiagu iza "Eze Dibia".

Okwukwe anyi na akuzi na Jesu Kristi nwuru n' elu obe wee zoputa uwa nine na mmeghie. O jere n'ala ndi mmuo were merie onwu maka anyi. Ya ka e ji si na *isi na ebu okiti na abu o buru okiti o di ya mma n'isi, mana isi na adighi ebu okiti buru okiti onyiwa ya isi* (Rom. 10 vs 9). Jesu Kristi bu isi na ebu Okiti.

## 2. ISI NKE ABUA - GINI BU NTOHAPU?

Onye amuma Aizaya kwuru n'akwukwo amuma ya si:

"*Ndi na-aga ije n' ochichiri ahula nnukwu ihe. Ndi bi na onyinyo nke onwu, ihe achakwasala ha. I meela ka ndi bi n'obodo ahu bawanye n' onuogugu. I mekwala ka anuri ha*

*di ukwuu. Ha ga-enwe anuri n'ihu gi dika ha si enwe onu n'oge owuwe ihe ubi"* (Aizaya 9: 2-3)

Ntohapu anyi nwetara bu na Chukwu nwa biara n'udi mmadu, were onwe ya chuo aja maka ntohapu mmadu na njo. Jesu Kristi n'onwe ya bu Ozioma Chukwu zitere uwa ma burukwa olu oma na onwe ya. Ya ka e ji were nnunu ndi Oyibo a na akpo Pelika were na atunyere Jesu makana, O ji Obara ya na azu umu ya. N'olu na ozi oma Jesu ka e siri tohapu ma na atohapukwa uwa ka o na aga n'ihu (Prov 15:11, Ps 7:9). Onye amuma Isaiah kwuru na Jesu biara ka ndi '*kpuru isi huba uzo, ndi nga nwere onwe ha, ma mee ka uwa nile mata na ala eze Chineke adigo nso'* (Luke 4:16-18).

Dika onye isi Ukochukwu anyi na onye oka mmuta n'Odenigbo bu Amarachi A J V Obinna kowaputara na Nkuzi ya O nyere na sinodu nke Onicha n'afo puku abuo na isii, "*Imerime afo gara aga, Ndi Igbo nogidere na ochichiri, obuladi karia ndi jew mgbe ochie. Ha noro na edudughari, na-asoshighari, na –achughari inyinyoro wee chee na O bu ihe. Ha nokwara na ikpo asi, nleli mmadu ibe ha na igburita onwe site n'obi ojoo na nrafu mmadu ibe. Uwa ojoo nkea biara turuo ndi Igbo na apiti mezia ka ndi ka ha ike na nghugho wakpo ha wee mepia ha anya"*

Ndi Igbo na-asi na, *o buru na chi mmadu anoghi n'ebe a na agbara ya izu onwu, na onweghi ihe ga eme onye ahu. Mana o buru na chi mmadu atoghapu mmadu n'agbu; o kwesiri ka onye ahu were aka ya kekwa onwe ya n'agbu nke ugburo*

*abuo?* Okwesighi ekwesi, makana *onye a na agwo ibi o na-eto afo, ihe na akpo ya oku, di n'ajo'ohia.*

Ukoro oma si na Nnukwute ozi oma nke Jesu, rutere anyi site n'aka ndi mgbasa Ozioma Krisiti, site na nzuko nso Christi, site na uloakwukwo, site n'usoro ahu ike nke agba ohuru na oru mmepe ndi ozo. Ihe nile ndia bu uzo anyi si enwete ntohapu. Ntohapu a bu ihe magburu onwe ya na mma ma burukwa ihe anyi ga-eji aka abuo jigide ka ohapu igbanahu anyi. Ihe o gbadere ukwu bu okwukwe na Jesu Kristi onye na atohapu anyi n'imirikiti nsogbu anyi niile na-eche anyi n'ihu n'ubochi niile. Okwukwe na inyomi ndu ya na nzo ukwu ya site na ime uche Chukwu oge niile. Anyi amrala na O bu eziokwu na-enweghi mgbagha na, imata Jesu bu ime ka anyi na Chineke di na mma site na Muo Nso. O buru na uwa niile eme nkea, O ga ebute ikpe nkwumoto na udo ma mee ka uwa niile hurita onwe ha dika ume nne.

O bu nnukwu ihe nwute na oge ugbu a, na otutu ndi mmadu na ebe akwa ariri n'akuku uwa niile. Ha na-ebe akwa a na ebe ndi ocha na ebe ndi ojii, ebe ndi ogaranya na ebe ndi ogbenye, ebe ndi okacha mara na ndi itiboribo. Akwa a na-ebe gbadoro ukwu na ha huru na uwa enweghi isi. Otutu ndi mmadu choro I ji obere ako na uche ha were kowa ihe omimi niile na-eme n'okpuru anyanwu. (Nwoke a na akpo Augustine dere na Obi mmadu enweghi ezumike nke o na enwe onu ma obughi soso na otinyere echiche ya na Chineke. Akwa umu mmadu na-ebe zuru uwa onu, mana o di iche na obodo anyi diga na Afrika. Ndi Afrika na ndi

Niajiria ka okike nyere uju ngozi nile nke eluigwe dika anyanwu, mmiri, ikuku, ube na oka, ahihia na agwo oria, aku na uba di na elu ala na ime ala dika mmanu, olaedo, ola ocha, ukwu nkwu, mmanya na osisi, umu anumanu na umu nnunnu; nke ka nke, bia nye Afrika na ndi igbo echiche na asusu mere ka ha di iche. Mana kedu ihe anyi ji okike Chineke ndi a were mee? Mpu na aru, njo na mmegbu, mpuri na oshi; ogu na mgba. Akwa na ude obi a jidere ndi be anyi, jidekwa ndi mmadu na uwa ndi ozo dika Europ, Ashia, Oceania na mba America. O bughi soso akwa maka nri onu, ma o bu ihe e ji enyere ndu aka, kama na o bukwa akwa gbasara enweghi nghota maka uru m'obu isi uwa anyi no n'ime ya bara. Anyi matara na ufodu ndi mmadu enweghi ihe ha jiri eziomume na ikpere Chineke kporo maka ha na eche na aku na uba ha nwere e zugoro ha.

Otutu n'ime ha a anaghi enwezi anuri na ndu ha. Anyi na-anu maka npku akwa na ariri otutu umu Adam ne-ebe ma n'ututu ma n'abali makana ha na ebi ndu nke n'abughi udi ndu ha choro maka onwe ha. Ogige obuna inere anya ha no. Ndi agu na agu jina n'okpor uzo. Ndi rijuru afo jinakwa n'okporo uzo. Ndi ojii choro I bu ndi Ocha! Ndi ocha choro I bu ndi Ojii! Ndi na enweghi oru ma obu ulo. Ndi nwere Ulo mana ha enweghi uju afo. Ndi yi akwa mana ha gbo oto. Ndi gab oto mana ha na eme mpu, n'ihi na ha enweghi okwukwe na Chineke na kwa na mmadu ibe ha. Otutu na-acho eziokwu na ihe n'ime uwa, were na asochighari nakwa

asokwughari n'ihe nke na-agafe agafe. O bu eziokwu na–enweghi mgbagha na Agburu na enwghi ihe ha jiri Chineke kporo, agaghikwa enwe ihe ha jiri mmadu ibe ha kporo.

Ya bu ebe anyi ga amalite oru ntohapu bu na onodu mmadu kemgbe agba. Nkea gbadoro ukwu na onwu na ndu nke mere ka ndi mmadu dika Boko Haram (agam n'ihu enweghi isi) weputara ibe ya ngwa agha nke a na-akpo, **ogbu n'igwe.** Ogbu n'igwe a nwere ike igbu mmadu niile di n'uwa ugboro asaa n'otu ntabi anya. Otutu ndi mmadu enweghi anuru maka na a muru ha dika ogbenye onu ntu, ha na-ebi dika ogbenye onu ntu ma nwuokwa dika ogbenye onu ntu. Ogbenye a na-ekwu maka ya a bughi ogbenye nke ihe onwunwe. O bu ogbenye nke ako n'uche, nke mpkuru obi na nke mmuo.
N'aka nke ozo, anyi mara na ufodu ndi a na akpo ndi Ogaranya, kasi buru ndi na-enweghi uju na anuri na agbanyeghi nnukwu aku na uba ha nwere. Ihe kpatara nke a bu na ha tukwasiri Obi ha aku na uba ha dika Chi ha na onye nzoputa ha. Ha na eme ihe obula iji nwete aku na uba nke a, chekwaba ya ma ha adi ndu ma ha anwuru anwu n'ihi ya.

Ndi ji ego ka egwu ji oge nile maka itufu aku na uba ha dika onye ogaranya onye nzuzu di na akwukwo nso (Luke 12:16-22) Ya mere e ji a si *na ego na eme ka ndi mmadu chia ochi ma mgbe ha na-achi, ndi nzuzu n'ime ha na echefu ikpuchi onu ha.*

*N'uzo nke ozokwa,* ufodu ndi mmadu na enwe nkolopu. Ihe ha na atu anya ya bu ihe ha na enwighi ike inweta. Ha na ekowakwa akpa ha ebe aka ha na enweghi ike iru. Ha na atufu oge ha na ihe niile ha nwere na-achughari inyunyoro na-enweghi isi.

E nwekwara ufodu na eme ka ndi nzuzu, ha amaghi ebe ha siri bia ma o bu ebe ha na alachigha. Site na ichoghari na ichughari ihe na-enweghi isi, ha na ekwenye na ihe o bula ma na–ebi na anwukwa maka ihe obula. Ha dika aturu na-enweghi onye nche ma dikwa ka *okporokporo ijiji na-enweghi onye ndumodu nke na-eso ozu na-ala n'ili.*

Uzo o bula I siri lee ya anya, ma o bu n'otu onye, ma o bu na ezi n'ulo, ma obu na obodo, E nwere nkolopu, ichughari ihe na enweghi isi n'obi oku. Obodo niile ga-agba aka ebe maka nkea n'ihi na ufodu n'ime anyi na-achughari ndi dibia na ndi na agba afa ka ha kowara ha ka ndu ha ga esi too ogologo ma o bu ka ha ga e si nweta kwuo ego. Ha were chefue na *onye Chi ya na-anoghi na izu onwu a na agbara ya, onweghi ihe obula ga eme ya.*

Ufodu na afu ikwu na ibe ha dika ndi iro, ndi na echere ha onwu oge niile. Ufodu enweghi Obi mgaghara, ha na anogide n'igwo nshi na aja na ibo ubo nke nna nna ha bidoro rue oge ha nwuru. Ha na-azo nkwu na ngwo oge nile, were na-egburita onwe ha. Ha na-ahapukwara umu ha, na kwa ndi a

ga- amu amu, oke akpomasi a, na enweghi obi mgbaghara. Ihe ndi a niile na-egosi na ha anabatabeghi ozi oma Jesu. Ozioma agaghi aru oru oma n'ime gi ma o bu tohapu gi ma o buru na I nabataghi ya dika ezigbo onye otu Kristi.

O bu udi ajo obi a, na enweghi Obi mgbaghara mere ndi Jew na ndi Palestine ji ano na agha oge niile n'ihi o bere ala. Ala atago isi nna nna ha na nke imirikiti umu ha ma ga na ata na aga n'ihu.

Ihe niile ndia bu onodu mmadu ka a choro ka anyi tulee uche na ha ma nwee ntoghapu site n'ozi oma nke Dinwenu anyi bu Jesu Kristi, wee nwee ndu ohuru nke juputara na udo na ihunanya na nke nwere nkwa ndu ebebe.

O di mma ka anyi ghota na ntohapu di n'uzo di iche iche. Nkowa nkea bu ihe ga eso ugbua.

## 3. ISI NKE ATO - Ntohapu na ebido na Muo

*"Na ajo mmanya bialu afia naa bu na ajo mmadu ejekwasiro ya".* Maka gini? Eze Jesus jere na ala muo wee jee buru dike na agha. *Okwa na ogu uno ka ana asi dike elighi alili nani ya ebili. Mana ogu ezi asi, kama dike ga eli alili, ya welu apa mma wee naba ndi muo*. Maka na *ogu bialu dike anughi ya anu, oburu onye ujo*. Nnukwu ogu Jesu nuru bu ogu nke ime mmuo, oji wee mee ka iwu nke Chineke bulu ihe edelu na obi onye obuna. Nkea mere ka mmadu nwee ikekere I no

ebe obuna were kpokue Chineke owee za ya. Okwa onye nweanyi Jesu Kristi juru umu azu Ya ajuju wee si ha: *onye ka ndi mmadu si na M bu.* Ha wee zaa ya si:  ufodu si na I bu onye amuma, ufodu si na  I bu Elijah, ufodu si na I bu Jon. Mana ojulu ha were si, unu onwe unu, onye ka unu onwe unu si na M bu. Peter okwute zara Ya si n' I bu okpara Chineke onye nzoputa. Owe si ya na I zara nkea abughi site na anu aru ma obo sitena na obara, kama n' o bu site na ike nke muo nso. Sitena na nkea ka okwere anyi ighota na o buru na Peter enwetaghi ntorapu olu oma nke ime muo na opughi iza nya bu ajuju.

Akuko anyi marala gbasara Abraham onye nke a kporo Nna nke okwukwe na egozi na ntohapu na-ebido na mmuo. O bu Nna nwere okwukwe na Ezi mmuo maka na o zara oku mgbe Chineke kporo ya, hapu Nne na Nna ya, wee jee n'ebe e gosiri ya, o ga-ano were fee ya ofufe dika e siri dee na akwukwo nso na agba ochie (Genesis 12).  O bu maka na o nwere ntohapu n'ime mmuo ka O jiri kwere wee mee nke a. Otu ntohapu a na mmuo mekwara ka o kweta Chineke na o ga e ji otu Nwa ya bu Isaac wee jee chuoro ya aja. Igbo na-asi, *"mmadu muta idi na elekwa obia maka na adighi ama ama ele ndi mmuo ozi obia".*

Tupu Sol aburu Pol onye Ozi, O buuru "o ji isi ekwe onwu" n'ihe banyere omenala ndi Juu. O na e ji mkporomasi na igbu ochu na e sogide ndi na anaghi e so omenala ndi juu, okacha ndi otu Kristi. Ma ozugbo Jesu, Nnukwu ihe nke nzoputa biara chabanye ma chagbazuo Sol, o biaziri buru

onye puru iche n'ime ndi na-eso Kristi, burukwa onye ji anuri na ekwuputa Ozioma nke nzoputa n'ime Kristi. Pol di nso mechara kwuo si: N'ezi okwu eweere m ihe nile ka ihe lara n'iyi n'ihi oke uru o bara I mata Jesu Dinwenu" (Filip 3.8)

Site na nnwogha nke ndu ya, Pol di aso nyeere imerime mmadu aka ikpochapu nkwenye ha, n'ihe ndi hiwere isi n'ife arusi, emume agbara na ngubo n'enwghi isi.

Tata ajuju mu onwe m na aju bu anyi nwego ezi ntohapu na mmuo I ji buru onye ketara oke n'oru oma nke ozioma nke Jesu?.

## 4. ISI NKE ANO - Ntohapu na ihe a na ahu anya

Ifunugo onye ife n' atu na onu dika onye na ario aririo? Kedu ka isiri wee nyeru onye di otua aka; iji gosi ntorapu olu oma nke ozioma dika nke ana afu anya? Kedu kwanu maka ndi aru n'anwu? Okwa ndi Igbo si na *ebulu ozu onye ozo odika ebu ukwu nku-* obulu n' ewezuga ntorapu olu oma nke ozioma, ndi mmadu ufodu ka ga na egbu umu ejima, ufodu ana ere mmadu ibe ha, ufodu eweru mmadu na eni ozu, ma ndi ga-eji mmadu wee na agweke alusi. Mana tata Jesu si *omaba etezina ozo na nke otelu adiwo*.

Igbo si na *enwero ebe o nabu eduruo onye ije asi ya jee nke oma*. Maka na obulu na mmadu ewelu, na mmadu ibe ya kpatalu ego n' uzo na akwuro oto, wee si *akwu solu ibe ya gbaba mmanu,* Ife oputaru bu n' onye di etua eketaro oke obuna na ntorapu olu oma nke ozioma. *Mana onye obuna kwesili imata n' mmadu welu nganga, wee jee nua iyi mana*

*aka ya adiro ocha, iyi welu nganga wee gbue ya*. Ya meru Igbo ji si *na anu nuru na ibe ya na amu nwa, oje mulu nwa na akaro aka debe.*

**5. ISI NKE ISE - Ntohapu na agbu nke njo**

Ntorapu ozioma gbara mmeghie na anwu nke ukwu- Maka ndi na asi ka anyi biriwe ndu, anyi bicha ndu anyi amara ihe aga eme echi, ha ga amata na *nwanza n' ere nku n' ere okpa o si na ya n' aha mmanu.* Oge nile ka ndi mmadu na ege nti n'okwu chukwu ewe na asi ha na iwu chineke achoghi mmeghie. Odoro ewu na okuko anya na o bu maka mmeghie ka Dinwenu anyi Jesu Christi ji nwuo n' elu obe. Ntohapu O tohapuru anyi bu na agbu nke njo. Ya bu anyi kwesiri ibi ndu dika ndi atoghapugoro na agbu nke njo. Jesu atohapugo mmadu nile n'obu nke njo mama obughi ebe ahu ka o biri. Onye o bula ga na- eme ihe etiri na iwu ka ntohapu ahu were mia mmimi n'ime ya. Jesu Kristi mara na *muo mmadu kwere ekwe mana ahu anyi esighi ike.*

Ya mere o jiri dowere anyi Sacrament asaa di okpu. Otu n'ime Sacrament ndia na enyere madu aka idobe iwu Chukwu, ma kwa buru enyi Chukwu na ndi ga eketa oke n'ala eze ya bu Sacramenti nke mkwuputa na mgbaghara ngo. JesU gwara anyi na akwukwo Jon di aso si "*Naranu Muo nso, onye obula unu gbaghara njo ya aga agbaghara ya,*

*onye obula unu na agbagharaghi njo ya, agaghi agbaghara ya* (Jn. 20: 22-23).

Jesu kwubara nnukwu omume ichi ndi ukochukwu na nzuko nso Katolik makana ntohapu anyi di ya oke mkpa. Mmadu obula Chukwu kere na eme njo ma okwesiri na ntohapu agaghi ezu oke ma o buru na I na eme njo ma inaghi eje nkwuputa. Ndumu odu nile uka na enye anyi bu ka anyi were bara onwe anyi uru ma rite elele nzoputa Kristi. Unu matara nke oma na ndi Igbo si a *ukpara okpoko gburu na nti chiri* Udi ndu di iche iche na egosi ndu njo. N'ima atu, *ya* (Rom. 4:24-25):

O buru na mmadu nwere aku na uba nke onwe ya, mana na ele aku na uba nke mmadu ibe ya anya ka owere ike were ya, onye di etu ahu na egosi na onatabeghi Ntohapu oru oma nke ozioma. O mume di otua n'obodo na ebute mgbochi agamnihu olu oma nke ozioma na ndu ndi obodo.

O ya mere ndi igbo jiri si na *onye nyuru ahuru ugbor abuo mara ama nyuo otu.* N agbanyeghi na e nwere ndi ka choro otuto n'ihe ghasara ntohapu n'ikpa udo, anyi na ekene ndi nna no ebea tata maka otutu n'ime ha ka olu oma nke ozioma tohapugoro n'ilu otutu nwayni ma nweekwa otutu ndi inyom na anahghi ekwezi I bu nwanyi nke abua. A nam ekele kwa ndi nne nke na eso uzoro ukwu nne anyi di aso bu Maria Virgin Okpu ma bibe ndu dika ya. *Maka na ndi Igbo si na nne ewu n' ata agbala nwa ya ana ele ya anya n' onu*.

## 6. ISI NKE ISI - Ntohapu mmadu n’egwu di iche iche

Mmekorita olu oma nke Ozioma emego ka egwu puo anyi na ahu dika egwu siri puo umu azu Jesu n’ahu mgbe osiri na onwu binite.

Umu nne m na Chineke, Ihe anyi ga ghota bu na *O buru na mmadu amaghi ebe mmiri siri bido mawa ya o gaghi ama ebe o noro kwusi ya.* Okwesighe ekwesi ka mmadu jiri ujo dara enwe n’elu. Oburu na I ga echeta ihe Jesu Kristi na Peter jere mgbe O gara ije n’elu mmiri, I ga amata na mgbe Peter huru ka Jesu na -aga n’elu mmiri, o guru ya ka osoro wee gaa n’ enu mmiri ahu.

Na ezie Onyenweanyi siri ya biawa. Peter jewere ozugbo mana mgbe Peter choputara na O na- aga n’enu mmiri, owe bido we mikpuwe na mmiri ahu, makana o na atu ujo. Ma otu ntabi anya ahu Peter siri, Onye new m zoputa m. Jesu ewere zoputa ya. O wee site na nkea gosi ntohapu oru oma nke ozioma n’itu egwu. *Ndi Igbo na ekwu si na anaghi eji ogene edu onye ujo.* Owee puta na akakpo *anaghi ebu Ijere.* Nke ozo bukwa na mgbe umu azu Jeso nuru ozioma na O ebinitego n’onwu, egwu ha nile lara ha wee puta ebe ha gbachiri onwe ha uzo we na agbasaa ozi oma na arukwa oru oma di iche iche. Sitena na ya, ha tohapu otutu ndi mmadu ndi ka bi n’ujo, na Oya na n’egwu ajo mmuo di iche iche.

Nke a buru ihe magburu onwe ya na mma maka na igbo si onye amutara, ya muta ibe ya.

## 7. ISI NKE ASAA – Ntohapu metutara iji onyinye chukwu nyere gi wee ruo oru.

Mathew di aso kowara anyi n'akwukwo nso (Mathew 25:14-30) na odi mma mmadu iji onyinye chukwu nyere ya were ruputa ihe ahuru anya maka odi mma nke ndi ozo. Mathew kowara anyi ka otu nwoke choro ije njem siri kpoo umuodibo ya were nyefee ha aku na uba ya n'aka. O nyere onye o bula onyinye dika ike ya ha. Otu onye ka o nyere onyinye ego ise, nke ozo, ego abuo, nke ozokwa otu ego. Nna ha ukwu were puo ije. Na atufughi oge, nwa odibo nke natara onyinye ise jiri ya zuo ahia were zuputa onyinye ise ozo. Otu aka ahukwa nwa odibo nke natara onyinye abuo tinyere ya na ezi oru were rite uru onyinye abuo ozo. Mana nwa odibo natara otu onyinye gwuru ala were lie onyinye nke ya. Chefue na *ewu dina na ala dina na akpukpo ya* na kwa onye *aruru ala mwuo onye aruru ala elie ya*. Mgbe nna ha ukwu lotara ije ya, umu odibo abuo ndi tinyere onyinye ha n' ezi oru gwara Nna ha ukwu oru ha ruru na uru ha ritere.Nna ha ukwu mubara onyinye ha, nye ha ezigbo otito na nkwado ozo ma mee ka ha burukwa ndi nna ha ukwu ga atukwasi obi ma mee ka ha bata na onu nke nna ha ukwu. N'ihi na Ndi Igbo si *etoo dike na nke omere, omee ozo.* Mana mgbe nwa odibo natara otu onyinye biara si nna ya ukwu na "

ahurum *na ibu onye siri ike mmeta, onye na ewe ihe ubi ebe I na akughi mpkuru, na achikotakwa ihe ubi ebe I na asuchaghi, " Ya mere na egwu turum , m wee lie onyinye inyerem n'ala, lee onyinye gi were kwa.* Nna ya ukwu zara ya si, gi nwa ajo odibo , onye ume ngwu, I mara na mu na agho mkpuru ebem na akughi mkpuru, na achikotakwa ihe ubi ebe me na- asuchaghi, ihe I gara eme bu I were onyinye m nyere gi tinyerem na uloaku, O buru na m lota m nara egom narakwa o muru nwa. Nwa ya ukwu naara ya otu onyine ahu we nye onye nke nwere onyinye iri ma tupu odibo a na – abaghi uru na ebe ochiriri gbara, ebe ibe akwa na ita ikitere eze na- adi. Nkea na akowa na o mmadu nile okachasi ndi na eto eto ga achoputa onyinye chukwu nyere ha ma tinye ya na ezigbo oru ka owere mita mkpuru. Oye na etinye onyinye chukwu nyere ya na ezi olu na egosi na o nwetago ntohapu na oru oma nke ozioma. Obaghiri gi uru na iga na –anu ozi oma Jeso ma buru onye ume ngwu, onye na achoghi ibara onwe ya uru, ma o bu bara ndi ozo uru.

## 8. ISI NKE ASATO- Ntohapu metutara omenala Igbo

Omenala kpokotara ihe nile na-egosi ka ndi igbo si ebi ndu dika ,ile obia, ibi na ezi n'ulo, alum di na nwunye, idebe iwu obodo, iri nri, iyi akwa, ikpere chi ha, ime omume di iche iche , igba egwu, iwa oji, ili uzo na ikpa ozu, igba mpke, na iru ulo, ibi n'ulo, ije njem nakwa inye nsopuru. Omenala ndi igbo magburu onwe ya na mma, mana o nwere ndi di njo

n'ime ha. O nwere omenala ndi ukoro oma ozioma Kristi na-ekosabeghi, n'ihi ya ha enwetabeghi ntohapu.

Ntohapu metutara ome n'ala igbo n'uzo di iche iche. Anyi ga eleba ya anya kita iji mata mkpa O di na anyi ga aga 'ihu. N'ime agbamohu, ndi isi ojii nke kufere oshimiri Atlantki nogidere ihe ruru nari afo ano (400). Onu ogugu ndi igbo e ejidere ma refuo kacha nke agburu ndi ozo nile di n'odida anyanwu Afrika. Ihe kpatara nkea bu na otutu ndi igbo ji nkowa na nkwenye gbadere ukwu n'agbara na arusi na ele ya bu agbaohuru. Nkea gosiri na n'oge ahu ndi Igbo enwetabeghi nnukwu ihe nke nzoputa chineke di n'ime Jesu Kristi, ha enwetabeghi mmughari na mbighari ndu nke o na –akpalite.

Anyi ga echeta na taa bu abali ato nke onwa itenani, n'afo puku abuo na iri na otu (2011) bukwanu afo iri ise na ise kpom kwem kemgbe e tinyechara iwu–nkagbu ngubosi na-enweghi isi n'ala igbo nile. Dika Oke Mmuta bu Amarachi A J V Obinna siri dee ya na okwu nkuzi onyere na Sinodi Onicha n'aro 2006, omere ka amata ofuma "*Ihe a bu ihe burula Ozioma nye ndi igbo kemgbe ihe dika nnari afo abuo. O bu ukoro ozioma nkea kpalitere ndi omeiwu ahu n'abali iri nke onwa Mee n'afo 1956, ikwuputa n'eze wara awa na akagbuola kpamkpam na ebighiebi ngubosi ndi di n'etiti umu mmadu, gbadoro ukwu na Diala, Osu, Ohu, Ume na Omoni ka ha buru ihe megidere iwu. Site na iwu obi nwa nne nkea bukwa o si na Kristi, O putaraziri na onye igbo obula enwetala Nwere onwe nke chineke na –enye, nwetakwa*

*nhatanha bu osina Chukwu nke nyere mmadu obula ohere I luru onye ya na ya kwekoritara, nyekwa ya ike inweta na iketa oru, uba,okwa, ntunye ugo na echichi di n'ime obodo , n'ogbo oha, na mbaara na kwa na mba uwa.*

*O na-atum n'anya na enyekwam Obi uto bu iwu obi-nwanne nkea , iwu O si na Kristi a , iwu ezigbo agamnihu nkea, nke ndi ome iwu Government Odida Anyanwu nke Naijiria tiri na afo 1956, o kacha mgbe m chetere na iri afo ise n'ise gara aga, onuogugu ndi otu Kristi n'ala igbo ka Pere mbe. N'ezie ihe a bu akaoru nke Dinwenu. O di ebube n'ihu anyi. Ka chineke gozie ndi Ome iwu a. A na ekpekwa si, ka mkwuruobi ndi nwurula n'ime ha zuru ike na ndokwa".*

O kariala otu nari afo kemgbe nnukwu ihe a bu Kristi chakwasara Ala igbo. Taa, imerime ndi igbo na ekwuzi na ha bu ndi out Kristi, ndi na-eso uzo Dinwenu na onye nzoputa anyi Jesu. Nkea na-enye m anuri. Ya mere oru oma nke a ndi Omeiwu ahu malitere n'afo 1956, na'akpotughi Jesu aha n'akwukwo iwu ha tiri, anyi bu ndioloro ohuru, ndi na-akpukari aha Jeso n'onu, kwesiri iruchapu n'ime mmuo na n'eziokwu. Ma o bughi otua, ndi Omeiwu a ga–ekpe anyi ikpe. Kedu ihe mere mmadu jiri nwezia nkwuwa okwu tata? O bu soso na Ntohapu oru oma nke ozioma. A si na *onye Nna ya zipuru ka ojee oshi, na -eji ukwu agbawa uzo.*

O na-enye m nnukwute anuri na Ntohapu olu oma nke ozi oma abatago na ome na ala ndi be anyi na Igbo nile ggburugburu. Ya ka e ji asi na *nwa ogalanya tigie odu owelu nke nna ya wee kwuo ugwo. Anyi agaghi aghara ishi jee gwowara otule aju.* Olu oma nke ozioma agbago ihe nile n'anwu. O mego ka ndi omenala ji n'uzo ojoo nwere onwe ha.

Anyi ga echeta na akwukwo Luk gosiri anyi ka Jeso siri tohapu Nwanyi onye ome njo, onye nke ndi Jew jidere na akwam iko ma chokwa iji okwute lugbuo ya maka na o dara iwu obodo. Jeso jiri nkuzi ya mee ka ndi Jew mata na mmadu obula bu onye njo n'ihi na igbo na-atu ilu si *onye eze ya putara ihe bu onye eze okotoko. Nkita niile na-eri nsi ma na o bu nke a huru nsi n'onu ya bu ya riri nsi.* O mere ka a hu ihe ojoo di n'ome n'ala ndi juu nke na-egbu mmadu mbge ufodu na –anughi onu okwu ya. Jeso amaghi nwanyi ahu ikpe, kama O siri ya "*A gbagharala gi njo gi niile*" (Luk 7:48). Otutu ome n'ala ndi igbo dika nke ndi juu ma ihe nke Jesu achakwasigo otutu n'ime ha, ha e were nwete ntohapu.

N'uzo nke ozokwa, Ntohapu nke ozioma emego, anaghi emegbukwa umu ajadu dika e si emegbu ha na mbu. Otutu ndi ajadu nwere onu okwu tata. I nara mmadu ala ya n'ike ike maka nkari ma obu maka na ichiri eze na ozo, ma o bu jee na- emegide ndi mmadu n'uzo aghugho na aha omenala dika I je na edu ndi mmadu n'iyi arusi, ebelatago.

Mgbe anyi na anubeghi ma o bu nabata ozioma Jeso ma hukwa olu oma di iche iche nke si n'ozioma na- abia, anyi na enwe ngubosi na nkewasi n'etiti onwe anyi nke na- ebute nnukwu afufu na mkporomasi ma kpochiekwa oganihu n'ala igbo.Ufodu ndi mmadu ka ana agoro arusi, ma obu chufue ha , ma obu mapu ha n'iwu maka na ha mere ihe ojo. Ndi obodo e were na –akpo ha Osu, Odenigbo nke afo a na – enyere anyi aka itughari uche ka anyi were gbarue mbo juba ihe ojo ndia n'ohia maka na onye ka na-eme ma o bu na - kwado ihe ojoo ndia ka no na ochichiri nke na-enweghi ntohapu. Ufodu n'ime anyi ga asi na ha anaghi ago arusi ma o bu goro mmadu arusi ma oburukwa na iso na ndi na agubosi , na–asi na mmadu chukwu kere eke amughariri na Kristi site na mmiri Chukwu, bu Ohu ma O bu Osu, I mata na inwetebeghi ntohapu.

Anyi ncha ga amata na ndi Igbo kwuru si, *onye a ghoriri ka a gbara*. Onye obuna ako na uche ya na gbanariri anaghi ama n' onye jiri na enyi ya nwanyi amaka mma wee jee ria ube e dowere arusi agaghi aritunwu. O buru na ako n' uche mmadu enwetaghi ntohapu a, onye ahu n' ahu ihee alusi dika ezigbo ihe. Ma iga echeta na onye amuma Hoseya kwuru n'akwukwo nso si "N'oge gara aga, o na abu ifrem kwuo okwu, mmadu niile amma jijiji, O nwekwara nnukwu ugwu n'zrel. Ma o ketere ikpe omuma site n'ife arusi Baal wee nwuo." (Hoseya 13:1) N'akwukwo ndi ozi ,isi iri na ato, anyi nuru akuko Elimas onye amansi nke Sipros, "Elimas bu onye amansi onye Juu na-ebu amuma asi a na-akpo Baa

Jisos. Ya na out onye ochichi obodo aha ya na out onye ochichi Obodo aha ya bu Sejius Pelus nwere nnukwu ogugu isi no. Onye ochichia kporo Banabas na Sol n'ulo ya , ka ha gwa ya okwuchukwu. Ma onye amansi ahy aha ya bukwa Elimas no na-agbaghari okwu ha iji gbochie onye ochichi ahu ikwenye na Kristi. Sol onye ahe ya bukwa Pol, juputara na Mmuo nso; o lekwasara onye amnsi ahy anya, kwuo si Gi nwa ekwensu, gi onye kporo iheoma niile asi, onye juputarana nduhie na ihe ojoo di icheiche, o rubeghi mgbe iga akwusi isughari eziokwu niile di n'uzo nke onye nweanyi isi? Ugbua , iwe nkw onye new anyi ga adakwasi gi. I ga ekpu isi nwa oge. Ozugbo ahu o hukwaghi uzo ozo. O na ebigharizi aka na acho onye ga ejide ya n;aka na-ezi ya uzo. Mgbe onye ochichi ahu huru ihe mere nu, o kwenyere maka na nkuzi nke Chineke turu ya n'anya." Nkea na-egosi na ife arusi, ikwado ndi mmadu ka ha fee arusi ma obu mee ka onye na-efe arusi hapu inabata Ntohapu oru oma nke ozioma n'uzo obula nwere ntaramahuhu diri ya. Ma gi onwe gi ga amata na *onye na ete egwu usurugada-anaghi-ama na egwu usurugada bu egwu ndi mmuo* (1 Samuel 13:1-4)

Makana O di mma ka anyi mara na *onye rere Nkita ma jee zuta enwe, ihe mmakpu ka nokwa n'ulo ya.* N'uzo nke ozokwa, o buru na gi onwe gi na–asi na onye agbata Obi gi bu Diala ma gi bu ohu, na ichochi mmekorita ha maka na otu ubochi o ga akpo gi osu ma o bu ohu, mata na inaghi akwado ntohapu nke ozioma. O dighikwanu mma ka nwata jiri maka na Nne na Nna ya na azochitere ya were na acho

okwu oge nile. Onye asikwalanu na O bu obodo hiwere ya site na'aka nna nna anyi ha, n'ihi ya o nweghi ihe ya onwe ya nwere ike ime. Mata tata na o nwere ihe I ga emenwu maka na *ejighi eriri jigide awoli na mmiri. Onye obula rie adu duo onwe ya odu*

Okwesili ka anyi mara ma nabata ntohapu a nke Ozioma, maka na *oke na agbaghari n'elu ulo, amaghi na onye nwe ulo na elele okpuru afo ya ma mechie onu.*

Ya mere e ji asi anyi jidesie ntohapu oluoma nke ozioma ike. Makana *onye gburu dibia na agworo ya agwu, ndi na apara nshi agwubeghi.* Anaghi ahapu isi were gwowara otule aju n'ihi na Uru adighikwanu n'isi azu. *Agwa na ama mma ma eke tuo ya , agwa tuo mmadu o buru ekpenta*.

## 9. ISI NKE ITENANI - Ntohapu nke na ekpochapu itiboribo

Igbo si *na nwata iberibe amaghi na ibi bu nna ya oria*. *N'obodo ndi isi, onye otu anya na-abu Eze. Tupu anyi anu ozioma Jesu, otutu n'ime anyi bu ndi nzuzu mana mgbe anyi nabatara Ozioma Jeso ihe nke muo nso chakwasara anyi wee kpughere anyi amamile n'uzo nzoputa.* Tata ntohapu olu oma nke ozioma emego ka anyi mata otutu ihe di iche iche nke anyi na-amaghi n'oge gara aga. Onye obula n'ime anyi amatago ma kwere na amamihe na esi n'aka chineke were na-abia. O bu ndi bu ndi ezigbo ndi otu Kristi ga ama na nke

a bu ezi okwu gbara okpurukpu maka na *anu ji eze na-ari elu marala osisi na-elu ilu.*

Otutu ndi mmadu achoghizi ka a na-kpo ha aha n'ihe ojo. Onye obula na- achozi ka e were ya maa ezigbo atu dika onye obodo na a sopuru. Otu nnukwu aka ebe di n'okwua anyi na'ahu anya di na nnukwu ukochukwu anyi bu Amarachi A J V Obinna onye nke amamihe ya tata, okachasi n'odenigbo, biara site n'ozioma Jesu na onyinye nke Muo nso. O buru na onughi ozioma Jesu, ma nabata ya o were gbaa mgborogbu n'ime ya , ogaghiri akpokoba igwe mmadu tata ka anyi tulee uche mara ka umu igbo ndi ozo ga e ji were keta oke n'olu oma nke ozioma ma nwete ntohapu. Igbo sikwa na *amamighe anaghi esi n'isi awo.*

Anyi ga echeta na O bu ndi wetere anyi ozi oma Kristi wetre anyi ije akwukwo anyi siri na ya mara ka e si edee ma o bu guo tata. O buru na ndi ozioma eweteghi Oruoma, agaghiri atohapu anyi n'itiboribo. O buru na anyi amaghi ka e si ede ma o bu guu, anyi agaghi ama na e nwere ike dee igbo anyi na –asu n'akwukwo onye ozo no na mba ozo a muta ya.

O bukwa oru oma nke Ozioma mere ufudu umu nne anyi na umu nna anyi ha ndi nke tukwasiburu okwekwe ha na nkwu na ngwo, malite jebe oshi bekee were na-erite uru di na ya. Ha ghotaraziri na *anaghi ano otu ebe e lere mmanwu.*

## 10. ISI NKE IRI - Ntohapu na nsogbu, Ubiam na enweghi mmepe Obodo

*Nwata ju uri, o ju mma, maka na uri na mma yiri*. O bulu na anyi nwara anwa wee chughachi ndi okwu chineke si ala bekee were bia ikowara anyi maka Ihunanaya nke jesu Kristi na ala anyi, aru gara eme anyi n'oge ugbu. Ndi uko Chukwu wetara anyi ulo akwukwo, ulo Ogwu, Ulo mmepe di iche n'iche. Ha wetara anyi ughota maka onwe anyi na maka uwa. Ha mere ka anyi bawanye na amamihe gbasara Chineke n' uzo kwesiri ekwesi, site na ya mee ka anyi mara ihe bu I gu akwukwo ma nwete mmepe na nkwalite di iche iche nke na enyere ndu aka.  Oru ndi uko Chukwu mere ka ndi be anyi nabata agam n;ihu nke bekee dika oku eletrik; ugbo elu na ugbo ala; ite okporo uzo korota; igba mgbere n'uzo ohuru nke metutara ndi ala ojii na ndi mbana ndi ozo n'ile.  Ozioma wetara anyi ihe nile ndi ozo eji ebelata ahuhu na nogbu were dirii ndu. O mere ka anyi mata uzo kwesiri ekwesi aga eji taa onye mere ihe ojoo ahuhu ma hapu emume mgbe ochie na akwado irefu ma obu imapu na iwu onye obula mere ihe ala na aso. Ozioma wee mee ka anyi ghota na O ka mma ka anyi kwado nwa mkpi si *dibia gbaara ya afa ndu ma hapu afa uto maka na onye di ndu ga etoriri eto*. Ozioma niile a ndi ozi oma wetere tohapurua anyi n'Ubiam na iti bolibo nke agba ochie jiri kee anyi agbu.

Anyi ga ekwete na, ewepu nzuko nso Katolik, imirikiti imi mmadu n'uwa niile, ga ano na ochichiri, aguu na oke oria hara inwe onye enye m aka. Nzuko nso Katolik na enyere ndi mmadu okachasi ndi uwa na'atu n'onu nri nke mmkpuru Obi na nke onu ahu. O bu nzuko nso Katolik na azuputa ndi

Uko, na ndi ikporo n'agbara Jesu Odibo ma na agbasa ozioma n'uwa niile. Ha na-aru n'ulo nhiwe di iche iche na agwo ndi oria, na-akuzi nkuzi, na akwado ndi agha mepiara anya ma na-enye ndi aguu na-agu nri. Ha na ehiwe kwa ulo ebe a ga nu leta ndi nkwaru di iche iche. Ihe ndia na-egosi ga anyi si na enweta ntohapu site na oru oma nke ozioma.

## 11. Echi di ime! Kedu ihe anyi ga eme?

*Onye jere na nkwo - Nkwo esu; Ojee na Orie - Orie esu;*

*Ojee na Afor – Afor esu; Ojee na Eke – Eke esu;*

*O bu onye ahu na acho ahia okwu, Ko obu Ahia na- choya*?

Ndi be anyi iga n' iru bu ndu , Iga n' azu bu onwu.

O na abu onye huchaa ebe ana echi ozo o jebe ebe ana aru agwu? Mbanu! Maka na *odi nti njo na egburu ogu n' ire*.

*Ka anyi sepunu mma na akidi maka na ejighi mma were na-ebi akidi*. I ga n' iru n'olu oma nke ozioma a bu I ji nwayo were makua Jesu ka anyi wee nwetawa oga n'ihu na ngozi ya na ya so. Igbo si na *ihe kwuru, ihe akwudebe ya*. *Okwanu iche yili enyi ka eji atu enyi mana unu ga amaa na ijiji na enwero onye ndumodu na eso ozu aba na ini. Osisi obuna kwuchili uzo n' eli ube mma.* Ma ikwetalu ma ikwetaghi maka oganirua, ezu Onitcha si na ya anaghi ayo nkisi mmiri.

## 12. Mmechi Okwu Odenigbo

*Asi na ka okwu na abawanye ka amamihe na-ebelata.*

*Njedebe ihe obula ka mbido ya mma. Otu mkpuru okwu ezuolara onye ma ihe.* Ihe oke mmuta Akuziri anyi tata bu Ntohapu nke Jesu Kristi bu na ezie Oru oma nke ozi oma wetara ndi Igbo. Akwukwo Ilu (6.12) si na *Uru mmuta bara bu na amamihe na echekwa ndu ndi nwere ya.*

Chee echiche banyere  oru oma na Ozi oma Chineke nke isigoro na ya nwete Ntoghapu ma kpebie tata ka I ga esi toghapu onye obula iji n'agbu nke mmegbu, aghugho, Mpu, iri ngari, ntori, Ngubosi, iwe oku, enweghi Obi mgbghara, akwam iko na mpu na ahuhu di iche iche. O buru na atoghapugo gi n'ime Krisiti, biko gba mbo toghapu ndi ozo maka Onye ji mmadu n'ala ji onwe ya.  Edere n'Akwukwo ilu na *Ihe ojoo anaghi azoputa ndi njo mara ahu* (Proverbs 8.8).

N'ihi na ahuhu nke amamikpe diiri omume njo anaghi abia osoo, ya mere umummadu ji na-akpo ekwe nku ime ihe ojoo.

*Eze Onye agwalam nyuchara nsi buru n'ike na-agaghari ma onweghi onye gwara ya.* Odi mma ka anyi cheta na Ebe O bu na O nweghi ihe ala kere, mmadu na alakwuru chineke onye kere ya. *Atuoro omara, o mara mana a tuoro ofeke ofeba n'ohia*. Onye adumara kwe maka na onye agwara ya kwere, ahukwa ozo a ga agwakwa ya. Ya bu soro mubaa ma kwado ntohapu oruoma nke Ozi oma ka I site na ochichiri banye na ihe nakwa na anuri. Ebe anyi matara na Odenigbo bu Nkuzi na eme ka ihe oma na –ede, na ewu, na-akpotu, menu ka Ntohapu oru oma nke ozioma na akpotu, na-ede ma na ewukwa.

Oha na eze ndi igbo gerem nti, Udo diri unu. Ya gazie!  Ya dewe ma kpotuwa na na Igbo nile, n'ihi ayi amatago na ntohapu, n'ime jesu Kristi bu uzo ndu ohuru ndi Igbo, burukwa oru oma nke ozioma anyi na ayo Chukwu ka edezuo n'akuku b'anyi nile.